# EMERE KA ỌGBỤGBANDỤ AHỤ DỊ ỌHỤỤ
## Ọpupu 34:1-35
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 69 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na nka bu ihu-n'anya Chineke, ka ayi debe ihe nile O nyere n'iwu: ihe O nyere n'iwu adigh kwa arọ̀" (I Jọn 5:3).**

Na mbụ mgbe Moses zara òkù ahụ n'Ugwu Sainai ịnata Iwu ahụ, Chineke dere Iwu Iri ahụ n'elu mbadamba nkume abụọ nke Ya Onweya doziworo, wee gwa Moses ka o weghachịrị ya ndị ahụ.

**Ụzọ Inwe Obiụtọ**

Enyere Iwu ahụ ka o zi ụmụmmadụ otú esi ebi ndụ n'obiụtọ nime ụwa nke a, na igosi ha ihe Chineke chọrọ n'aka ha ime ha ka ha wee jikere ịga Eluigwe. Iwu mbụ ahụ bụ, "I gēwere kwa obi-gi nile, were kwa nkpuru-obi gi nile, were kwa ike gi nile, hu JEHOVA, bù Chineke-gi n'anya" (Deuteronomi 6). Òlee otú onye hụrụ Chineke n'anya site n'obi ya, na mkpụrụobi ya, na ike ya niile náeji eme omume? Ụwa a ọ̀ gaghị abụ̀ náání ọñụ ma ọ bụrụ na mmadụ niile naebi ndụ dịka iwu niile nke Chineke si dị? Ọ gaghị adịworị ihe dịka mmadụ ịchọ náání ihe nke onweya, na óké ọchịchọ, na ịkpọasị; mmadụ niile gaahụrịta ibe ha n'anya.

Chineke matara na ọ bụ mmehie nke dị n'obi ụmụmmadụ naakpata nsogbu dị icheiche, O wee chọọ ka ndị bụ nnọọ nke Ya gbanarị nsogbu ahụ. Ọ hụrụ ha n'anya; Ọ kpọrọ ha "nwa eburu uzọ mu" nke pụtara na ha onweha bụ ọkpara ndị gaje ịzá aha nke èzínaụlọ ahụ. Ọ chọrọ ịbụrụ ha Nna na ịkpọkwasị ha onweha aha Ya.

Náánị chee échìchè banyere ụdị ọñụ Ụmụ Israel gaenweworị ma ọ bụrụ na ha ji obi ha niile hụ́ Chineke n'anya ma debe kwa iwu Ya niile. Chineke kwere ha mkwà dị ukwuu ma ọ bụrụ náánị na ha gaenye Ya obi ha: "Ọ gādim nọ nma ma asi na nkpuru-obi-ha di ha otú a, itu egwùm, na idebe ihe nile M'nyere n'iwu ubọchi nile, ka o wee diri ha nma, di-kwa-ra umu ha rue mgbe ebigh-ebi!" Ma ha bụ̀ ndị náekwesi olu ha ike wee jụ kwa ịhụn'anya Ya, n'ihi nke a ha wee daba n'ọtụtụ nsogbu.

**Achọghị**

Ndị Ju n'oge ahụ mgbe Jisọs nọ n'ụwa bụ nnọọ ndị náenweghị ịhụn'anya Ya. N'otù abalị Onyenzọpụta anyị nọdụrụ n'eluugwu náele obodo Jerusalem anya, O wee wuta Ya nke ukwuu. Ndị ahụ Ọ bịara ka Ọ zọpụta, bi n'ụlọ dị mma, ma ha enweghị ọnọdụ nye Ya. Ọ bịara ka O weta udo nye obi ha, na ọñụ dị ukwuu karị nke ha nweworo na mbụ, ma ha apụghị ige Ya ntị. Ákwá Ya n'abalị ahụ bụ: "Jerusalem, Jerusalem …. ọtutu mgbe òle ka M'chọrọ ichikọ umu-gi, ọbuná dika nneku-ọkuku nāchikọ umu-ya n'okpuru nkù-ya-abua, ma unu achọgh!" (Matiu 23:37).

Otú a kwa ka Jisọs ji hụ́ ụmụmmadụ n'anya n'ụbọchị ndịa, ọbụná ndị mmụọozi nke eluigwe na añụrịọñụ mgbe otù onye mmehie naechègharị. Ngọzi niile nke mmadụ pụrụ iche échìchè banyere ha naesochita ibi ndụ onyeKraist, náagbanyeghị nke a ụmụmmadụ ka naajụ kwa ịbịakute Jisọs, náajụ kwa ichègharị site ná mmehie ha wee dị ndụ náatọ Chineke ụtọ.

**Etiwara Iwu Ahụ Niile**

Mgbe Moses nọ n'ugwu ahụ náanata iwu ahụ niile dị óké ọnụahịa nke Chineke, ndị Israel ahụ náenweghị uche mere nwa ehi awụrụawụ ifè ya òfùfè, náagbanyeghị na Chineke gwara ha ka ha ghara ịkpụ iheoyiyi maọbụ ịkpọ isiala nye ha maọbụ kwa ifè ya òfùfè. Mgbe Moses hụrụ ihe ndị ahụ ha mere o wutere ya na mmehie ahụ nke ha mere na ọ tụdara mbadamba nkume Chineke n'ala wee tiwa ya.

Lee ihe mwuta dị otú a na etiwara nkume Chineke nke dị óké ọnụahịa! Ma nke kachasị njọ bụ̀ na ndị ahụ niile enupụworo Chineke isi! Ọ gaewere Moses ikpesi ekpere ike oge dị ogologo ịchọta mgbaghara n'aka Chineke. "M'we turu onwem n'ala n'iru JEHOVA ọgu ubọchi abua ahu, ehihie na abali, nke m'tururu onwem n'ala; n'ihi na JEHOVA siri na Ọ gēkpochapu unu. M'we kpere JEHOVA, si ONYE-NWE-AYI Jehova, ebibila ndi-Gi na ihe-nketa-Gi, nke I gbaputaworo n'idi-uku-Gi, nke I wereworo aka di ike me ka o si n'Ijipt puta" (Deuteronomi 9:25, 26).

Chineke zara ekpere ahụ wee gwa Moses ka o mee kwa mbadamba nkume abụọ ọzọ, dịka nke mbụ ahụ, na Ọ gaede Iwu ahụ ọzọ. Moses pụrụ n'isi ụtụtụ gaa n'ugwu ahụ, Chineke wee gwa ya okwu site n'ogidi igwèoji ahụ.

**Nzọpụta Site N'Amara**

Onyenweanyị chètaara Moses na ọ bụ náánị ebere Ya kpatara ime ka ọgbụgbandụ Ya na ndị ahụ dị ọhụụ. Ndị Israel apụghị ime ihe ọ bụla iji chọta amara n'iru Ya. Ọ bụ náánị ịdịmma Ya, ogologo ntachiobi Ya, mere Ya ka Ọ ñaa ntị n'arịrịọ nke Moses wee ghara ịla mba ọjọọ ahụ n'iyi.

Ọ dịghị ihe ọ bụla onyemmehie pụrụ ime n'ụbọchị taa iji mee ka ụzọ ya zieezi ịga n'Eluigwe, maọbụ inweta amara n'iru Chineke. N'ebere Ya ka O zitere Ọkpara Ya, bụ́ Jisọs, ka Ọ wụsa Ọbara Ya n'ihi nzọpụta anyị. Ọ dịghị ọlụ ọma ọ bụla pụrụ ime ka anyị baa ná ndụ ebighịebi. Ọ dịghị onye pụrụ ịsị na ọ dịghị mgbe ọ bụla ya bụ ajọ

mmadụ n'ihi ya na Chineke gaakpọrọ ya laa n'Eluigwe. Akwụkwọnsọ mere ka anyị mara na: "N'ihi na madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke" (Ndi Rom 3:23). Mmadụ naabụ onyemmehie tupu rue mgbe ọ bịakutere Jisọs ná nchègharị wee rịọ mgbaghara nke mmehie, wee chetara Chineke na Jisọs wụsịrị Ọbara Ya ka "Onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16). Mgbe agbaghara mmehie anyị, Onyenweanyị ewe nye anyị ike ịga náemehie kwaghị ọzọ: "Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh-eme nmehie" (I Jọn 3:9).

**Mkwà Ya Dị Icheiche**

Ọ dị ihe ọzọ kpatara Chineke jiri bụrụ Onye obiebere: O kwewo Abraham, na Aisak, na Jekob mkwà na mkpụrụ ha gaenweta ala Kenean ma bụrụ kwa ndị náachị ha. N'oge nke anyị naamụ ihe banyere ya, ndị Kenean, na ndị Het, na ndị Perizait, na ndị Haivait, ndị Jebus bi n'ebe ahụ, ha bụ kwa mba dị ike karịa ndị Israel. Ma Chineke sịrị na Ọ gaedebe ọgbụgbandụ ahụ nke Ya na ndị nnaochie mbụ ahụ gbara, wee soro ha jee ka ha wee merie obodo ahụ. Ọ sịrị na Ya gaeme ihe ịrịbaàmà nke dị ukwuu karịa nke ha hụworo mgbe ọ bụla -- ọbụná nke dị ukwuu karịa ihe otiti niile nke Ijipt. Mgbe Chineke nọ n'akụkụ onye náadịghị ike, náagbanyeghị otú onye náemegide ya ra, ndị ahụ nke nọ n'akụkụ Onyenweanyị naemeri. "Ọ bugh unu nwe agha nka, kama ọ bu Chineke nwe" (2 Ihe Emere 20:15).

**Ọ Dịghị Mma Isoro Ndị Mmehie Nwekọ Ihe**

Chineke kwere mkwà na Ọ gaenye ndị Ya mmeri n'ebe ndị iro ha nọ, ma ha aghaghị imeso ha dịka ndịiro. Ha agaghị esoro ha nwekọọ mmekọrịta ihe ọ bụla n'ihi na ndị Kenean na ekpere arụsị, na ha nwereike ime ka ndị Israel soro ha n'ikpere arụsị. Anyị chetara ihe banyere nwa ehi ọlàedo ahụ, wee hụ́ kwa ihe kpatara Chineke ji adọ ha akanántị ka ha wezuga onweha n'ikpere arusị.

Anyị onweanyị, kwa, gaakpacharaanya ka anyị ghara inwe mmekọrịta ọ bụla anyị na ndị náamaghị Chineke. Ọ bụrụ na anyị rọrọ inwe mmekọrịta anyị na ndị mmehie, ọ dị ihe dị ọjọọ nime onye ahụ. "Unu amatagh na ibu eyi nke uwa bu ibu onye-iro nke Chineke?" (Jemes 4:4). Jisọs chọrọ ka ndị nke Ya bụrụ ndị dị iche. Ọ kpọrọ ha "Ihe nke aka Ya," Ọ chọkwara ka ha debe onweha náenweghị ntụpọ site n'ụwa.

**Ekpughere Ebube Chineke**

Mgbe Moses sitere n'ugwu ahụ rịdata, iru ya naegbu àmụ̀mà n'ihi nzukọ ahụ nke ya na Chineke zukọrọ. Ndị Israel tụrụ egwù ilegide ya anya n'iru rue mgbe o weere ákwà kpuchie iru ya. Chee uche banyere ebube nke soro n'inye Iwu Iri ahụ; ma cheta kwa na Chineke enyewo anyị ọgbụgbandụ dị ukwuu karị site n'oge nke enyere anyị Mmụọ Nsọ. Mgbe ahụ Chineke dere Iwu ahụ ná mbadamba nkume; ma ugbu a Ọ naede ya n'obi ndị kwereekwe. Tulee ụdị ebube nke anyị gaenwe mgbe anyị bịakụtere Chineke site n'Ọbara Jisọs nke gaadị n'obi anyị ná nzọpụta na odudonsọ, anyị ewee nata ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ. Mgbe ahụ ewepụwo ihe mkpudo ahụ anyị ewee náañụrị n'ịkpànso nke anyị na Chineke.

Ná òfùfè ntutemmụọ n'otù ebe n'obodo India, Mmụọ Nsọ rịdatara na mberede nime otù nzukọ mgbe ha na ekpe ekpere. Ụ̀zụ̀ ekpere ha wee dị ka óké mmiriòzùzò. Ndị obodo ahụ gbara ọsọ bịa, mgbe ha hụrụ igbu maramara nke iru nke ndị ahụ náanata Mmụọ Nsọ, ha wee pụọ náekwu, "Na ndi Kraist ahuwo Chineke ha." Ịnata ọwụwụmmiri nke a bụ̀ oghere nke dịrị onyeKraist ọ bụla ibi ndụ nke náatọ Chineke ụtọ na idebe iwu Ya niile.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú esiri nye Moses iwu Iri ahụ?
2. Gịnị mere mbadamba nkume nke mbụ ahụ?
3. Gịnị mere Chineke ebibighị ndị Israel? Kwue ihe abụọ.
4. Gịnị bụ Iwu mbụ ahụ?
5. Gịnị kpatara anyị gaeji nwee ezi nleruanya inwe mmekọrịta anyị na ndị enyi náekweghị ekwe?
6. Òlee otú anyị gaesi "hụ" Chineke?